Amamaka na Agbammbọ Gbasara Agụmaakwụkwọ na Ndụ Ụmụaka: Nnyocha Agụmagụ Igbo Ụfọdụ

Ogochukwu Roseline Ifeka
Mahadum Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu, Igbariam.
ifeka@coou.edu.ng

na

Anachunam, Chinelo Chizoba
Mahadum Nnamdi Azikiwe, Awka
cc.Anachunam@Unizik.edu.ng

Ụmịedemede

Nchọcha a nyochara ebumnobi ndị odee agụmagụ ụfọdụ dị ka ndị na-akwado agbambọ nke dabeere na nkwenye ndị Igbo banyere ịrụsi ọrụ ike. Ebumnobi nchọcha a bụ inyocha agụmagụ Igbo ụfọdụ iji gosi n'ezie na ndị odee sitere n'agụmagụ ha na-akụzi na ịgba mbọ na-amịta ezi mkpụrụ na ndụ mmadụ. Akwụkwọ agụmagụ ndị e ji mee nchọcha bụ *Ụkpaka Mịịrị Onye Ụbịam* nke Ubesie (1975), *Ugonna* nke Ofomata (2001) na *Chukwu Nọ Nso* nke Okechukwu (n.d.). Atụtụ Rịalizim ka e ji tụchaa akwụkwọ agụmagụ ndị a họọrọ ma gbaso nchọcha nkọwa. Nchọpụta gosiri na ndị odee agụmagụ Igbo na-ezipụta ihe ịma aka ụmụaka na-agabiga na etu ha si agba mbọ n'agụmagụ ha. A chọpụtara na ụmụaka ndị hụtara onwe ha na nsogbu ezinụlọ dị iche iche na-agbasị mbọ ike ka ọnọdụ ha ghara igbochi ha inweta ezi mmụta. A chọpụtakwara na ụfọdụ ụmụaka nọ n'ụbịam na-arụ ọrụ dị iche iche iji nweta ego ha ga-eji kwụọ ụgwọ akwụkwọ ma gaa n'ihu n'agụmaakwụkwọ ha. Site na nchọpụtara ndị a, nwanchọcha na-atụ aro ka ndị mmadụ na-agba mbọ ịhụ na ha nyere ụmụ ha ma ọ bụ nwata ọ bụla ha na ha bi ezigbo ọzụzụ n'agụmakwụkwọ, ka e wee belata ahụhụ ụmụaka na-ata n'agụmakwụkwọ ha.

This research examines the intentions of the authors of the selected texts, presenting them as promoters of perseverance which is dependent on the Igbo belief in diligence. The major focus of the study is to demonstrate, through these texts, how the authors portray the struggles children encounter in their educational journey and emphasize that such challenges should not discourage them from working hard to improve their situations. The Igbo literary works analyzed in this study are *Ụkpaka Mịịrị Onye Ụbịam* by Ubesie (1975), *Ugonna* by Ofomata (2001) na *Chukwu Nọ Nso* by Okechukwu (n.d.). The study adopts the theory of Realism for analysis and applies a descriptive analytical method. Findings reveal that some children in difficult circumstances engage in various forms of labour to earn money for school fees in order to continue their studies. The research concludes that regardless of a child's background, hard work, perseverance, and good character can help them achieve their educational goals. Consequently, the study recommends that parents, guardians, teachers, and the government collaborate to provide adequate support and accessible quality education for children.

1.1 Ndubanye

Agụmaakwụkwọ bụ ihe ruuru onye ọbụla ma bụrụ igodo maka mmụba mmụta nye mmadụ, ọha obodo na akụnụba. Mana, ọtụtụ ụmụaka na mba ụwa dị icheiche na-agabiga ihe nhịaahụ dị icheiche n'inweta agụmaakwụkwọ tọrọ atọ. Ihe nhịaahụ ndị a nwere ike ịbụ ụbịam, ajọ ọnọdụ akụnaụba, enweghị ohere inweta ngwa agụmaakwụkwọ dị icheiche, ọgbaaghara, enweghị ebe nhiwe isi, ịkpa oke na ikpo otu n'ọnọdụ jenda na agbụrụ, enweghị ndị nkuzi a zụrụ azụ na ebe agụmaakwụkwọ kwesịrị ekwesị, ọnọdụ ahụike na nsogbu ya, enweghị ụbụrụ akwụkwọ na ọlụsị. Nhịaahụ ndị a nwere ike ibute enweghị ndị debara aha n'agụmaakwụkwọ, ụfọdụ mmadụ ịkwụsị agụmaakwụkwọ n'etiti ụzọ, emeghị nke ọma n'agụmaakwụkwọ, enweghị ọrụ, dgz.

Nchọcha a chọrọ ịchọpụta etu ụmụaka ndị a mụnyere n'ajọ ọnọdụ ndị a maọbụ ndị hụtara onwe ha n'ọnọdụ dị etu a si agba mbọ n'agụmaakwụkwọ. Ọzọ bụ ịchọpụta etu ụmụaka ajọ ọnọdụ ndị a si agba mbọ n'agụmaakwụkwọ ha. Nwanchọcha họọrọ agụmagụ a; *Ugonna* nke Ọfọmata, C., *Ụkpaka Mịịrị Onye Ụbịam* si n'aka Ubesie, T.U. na *Chukwu Nọ Nso* si n'aka Okechukwu, C. n'ihina ha dabara nke ọma n'isiokwu nchọcha a. N'iji tụchaa akwụkwọ agụmagụ a họọrọ, nwanchọcha ji atụtụ nkewuezie ka o wee chọpụta ihe nhịaahụ dị icheiche ụmụaka Igbo na-ezute n'agụmaakwụkwọ dịka ndị odee sị zipụta ya n'akwụkwọ agụmagụ ha n'otu n'otu.

2.0 Ntụleharị Agụmagụ

N'ebe ka e lebara anya n'ihe ndị odee ụfọdụ dere n'akụkụ ihe ọmụmụ a na-eme nchọcha na ya.

2.1 Nhụjuanya

World Health Organisation (2024) kọwara nhụjuanya na mmegbu ụmụaka dị ka mmegide na nlegharaanya bụ nke a na-emeso ụmụaka dị afọ iri na asatọ dịịrị gaba. Ha kọwara na nke a gụnyere ụdị mmegbu elu ahụ ọbụla, mmegbu ime mmụọ, ndakpo, nlegharaanya, iji ụmụaka atụ mgbereahịa na ụdị mkpagbu ọbụla bụ nke na-ebute nsogbu n'ebe ahụike dị, ndụ, agụmaakwụkwọ na ugwu nke nwata ahụ.

Taylor na Breauụ (2019) n'iji kwado echiche a hụtara nhụjuanya ụmụaka dị ka mmekpaahụ elu ahụ, mmekpaahụ ime mmụọ na nlegharaanya. Ụdị mmekpaahụ ndị a bụ nke nne na nna maọbụ onye nlekọta nwata na-emekpa nwa ha. N'aka nke ọzọ, ọ gụnyekwara nlegharaanya n'ebe ihe e kwesịrị ileru anya maka ọdịmma nwata ahụ. Ọ nwere ike ịbụ nlegharaanya n'ebe gbasara ahụike ya, ọnọdụ elu ahụ ya, ọnọdụ ime mmụọ ya na ọnọdụ agụmaakwụkwọ ya.

Nhụjuanya ụmụaka dị ka Hillis et al (2016) n'ime Huiping et al (2025) siri kọwaa bụ nke na-emetụta ụmụaka ruru otu nde kwa afọ na mba ụwa niile. Mpụtara nhụjuanya ụmụaka nwere ike ịbụ nnukwu mmerụ ahụ nke a hụrụ anya maọbụ nke ime mmụọ nyere ụmụaka ndị ahụ dị ka Jonson-Reid et al (2012) siri kwuo n'ime Huiping et al (2025). Fryers & Brugha (2013) na Gnanamanickam et al (2020) gara n'ihu kwuo na o nwere ike ime ụmụaka ndị dị otu a malite ịnụ ogwụ ike, inwe isi mgbaka, iche echiche igbu onwe ha na ahụ ọnwụnwụ.

2.2 Agụmaakwụkwọ

Agụmaakwụkwọ bụ nnukwu ihe dị mkpa na ndụ mmadụ. Ọ bụ nchịkọta usoro ọmụmụ niile nke mmadụ si na ya enweta mmụta, azụlite akọ na uche ya nakwa nke o si na ya enweta nka dị icheiche na ndụ. E nwekwara ike ịsị na agụmaakwụkwọ bụ usoro e si akụziri mmadụ ihe maọbụ ụzọ e si akụzi ezi agwa na ndụ mmadụ. Dịka Adesemowo na Satonade (2022) na-akọwa, "agụmaakwụkwọ bụ ngwa ndagharị e si na ya enweta mgbanwe… na agụmaakwụkwọ tosịrị imetụta maọbụ gbanwee akparamaagwa onye a na-akụziri". Nke a pụtara na agụmaakwụkwọ enweghị usoro kwụ rarịị o si enye mmụta, kama, o nwere usoro dị icheiche mmadụ nwere ike isi nweta mmụta na ya. Ihe kacha mkpa bụ na mmụta ọ na-enye bụ nke na-agbanwe agwa mmadụ ka ọ dị mma karịa etu ọ dịbu na mbụ.

Bamisaiya (1989) na-akọwa agụmaakwụkwọ dịka, "Nchịkọta usoro mmepe nke ọgụgụ isi, nka na akparamaagwa, nke mejupụtara ihe anyị bụ na ụzọ dị icheiche anyị si eme ihe na ndụ". Nkọwa ya na-egosi na agụmaakwụkwọ bụ ụzọ zuru oke e si na ya enweta mmụta nke anyị na-esite na ya erite erere dị ọkpụtọrọkpụ ndị nke na-enyere anyị aka ma mekwuazị ka ndị ọzọ nọ n'ọhaobodo rite erere site na mmụta ndị a.
Adesemowo na Satonade (2022) na-eme ka a mata na o nwere ihe dị iche n'agụmaakwụkwọ na ịga akwụkwọ. Ha na-akọwa na "ịga akwụkwọ nwere ike ibute agwa ọjọọ. E nwere ike inye mmụta n'ụzọ ọjọọ, e nwekwara ike ịmụta ajọ ihe n'ụlọakwụkwọ, mana, iwu bụ na agụmaakwụkwọ ga-abụ ezie. Ụdị ụlọakwụkwọ mmadụ gara na-emetụta akparamaagwa onye ahụ". Nke a gosipụtara na mmadụ nwere ike izipụta ajọ agwa dị ka izu ohi, ime mpụ ule, ịdakpo mmadụ n'ike maọbụ isonye n'otu nzuzo dị icheiche bụ nke a na-enweta site n'ajọ mmụta, mana, tupu agwa mnmadụ abụrụ nke sitere n'agụmaakwụkwọ kpọmpkwem, ọ ga-abụrịrị ezi agwa.

2.3 Agụmagụ

Agụmagụ bụ ụzọ pụrụ iche ọtụtụ ndị odee si ezipụta ihe na-eme n'ụwa. Nwokoye (2019:12) na-ekwu sị, "Agụmagụ nwere ike ịbụ ihe e ji akọwa maka ndụ na ihe na-ewuru ndị n'oge nke ha". Nke a pụtara na ọtụtụ ndị odee na-esite n'akwụkwọ agụmagụ ha zipụta ọnọdụ dị icheiche ndị mmadụ nọ na ya. N'ime nke a, ha na-eto maọbụ akatọ ọnọdụ dị otu a.
Okoh (2008) na-akwado nke a site n'ikwu na "agụmagụ nwere ike ịgbaziri anyị, mee ka anyị nwee mmụta gbasara ụwa na ihe ndị na-eme na ya." Niihi nke a, e nwere ike ịsị na agụmagụ bụ enyo e ji ahụta ndụ. Agụmagụ bụ gbasara mmadụ na gburugburu ya. Ọ na-enyocha mmadụ dị ka ya na ihe ndị dị na gburugburu si emekọrịta. Ọ na-eleba anya n'ezi ihe na nsogbu na-adapụta n'ọnọdụ ọbụla. Ọ na-akọwa maka agamnihu na ndaghachiazụ nke mmadụ, ike na adịghị ike, ya nakwuazị etu oge na gburugburu si emetụta ihe ndị a. Isi ihe kasị mkpa n'agụmagụ bụ iji ya mee obiụtọ nakwa iji nye mmụta.
Duru (2014) na-ahụta agụmagụ dị ka, "Ụzọ ndị odee si ezipụta ihe na-eme n'ụwa.'' Ọ gara n'ihu na-ekwu na ndị odee na-ede agụmagụ anaghị ede ya naanị maka inwe ihe e deturu n'akwụkwọ, kama ha na-aga n'ihu ịkọwara ndị mmadụ ihe ndị na-eme n'ụwa. N'ihi nke a, agụmagụ gụnyere ihe dum gbasara ebimndụ nke ndị mmadụ na-esi na ya enwe obiụtọ na mmụta.

2.4 Nnyocha Edemede Nchọpụtaga

Amuda (2011) mere nchọcha banyere 'Agụmaakwụkwọ Ụmụaka na Naijiria: Nhịahụ na mgbochi ya n'usoro iwu'. Na nchọcha ya, ọ kọwapụtara nsogbu ụmụaka na-enwe n'ihe gbasara agụmaakwụkwọ ha. Nsogbu ndị ahụ dịka o siri kọwapụta ya, bụ nne na nna ha enweghi ike izụlite ha n'agụmaakwụkwọ n'ihi na ha ebikọghị ọnụ dịka di na nwunye nakwuazi ajọ ọchịchị gọọment Naijiria. Ọ kọwara na otu ihe kachasịnụ na-egbochi agụmaakwụkwọ ụmụaka na Naijiria bụ mpụ na arụrụala na-arị ibe ya elu n'ọchịchị n'ebe ndị ọchịchị nọ. Nke a ka ọ kọwapụtara dị ka ihe na-emekpa ezi usoro agụmaakwụkwọ ahụ. O mere nchọcha ya iji kọwapụta ọnọdụ iwu ala Naijiria banyere ụmụaka inweta ezi ohere agụmaakwụkwọ na Naijiria nakwa ihe ndị na-ebute enweghị ohere agụmaakwụkwọ na Naijiria. O lebakwara anya n'ọnọdụ agụmaakwụkwọ na Naijiria, ụlọ ọrụ na-ahụ maka agụmaakwkụkwọ nakwa ogogo mmụta ndị nkuzi na-akụzi n'ụlọakụkwọ. O gbasoro usoro 'kwọlitetiv' na '*kwọntitetiv'* were mee nchọcha ya. Na nchịkọta nchọcha ya, o kwuru ka ụlọikpe taa onye ọchịchị ọbụla a hụrụ tinyere aka na mpụ na arụ dị iche iche ahụhụ, nke na-ebutere agụmaakwụkwọ ụmụaka na Naijiria ihe ndaghachi azụ. O kwukwara ka gọọment gbaa mbọ hụ na ụmụaka nwetara ohere agụmaakwụkwọ n'efu ma rụzikwaa ụlọakwụkwọ nke ọma; ka gọọment hụ na a na-akwụ ndị nkuzi ụgwọ ọru dị mma. Ọ rịọkwara ka ndị NGO, ekpemekpe ụka Kraịst na Mọzlem, na ndị akajiakụ nọ n'obodo nyere ụmụaka ndị a aka site n'ịzụtara ha ngwa agụmakwụkwọ dị iche iche dị ka akwụkwọ, mkpịsị odee na ihe ndị ọzọ iji belatara nne na nna ibu arọ ha. Ọ kọwapụtakwara dị ka Bray (1999) na-ekwu ka ụlọakwụkwọ ndị mmadụ nkịtị nwe na-ebelata ego agụmaakwụkwọ ha ka ụmụ ogbenye nwee ike inwe ohere agụmaakwụkwọ n'ụlọakwụkwọ ha.
Van Voorhis et al (2013) mere nchọcha banyere "Mmetụta ezinaụlọ n'agụmaakwụkwọ ụmụaka". Na nchọcha ha, ha kọwapụtara na mmetụta ezinaụlọ n'ihe gbasara agụmaakwụkwọ ụmụaka ha na-enwe mmetụta pụrụ iche n'ihe gbasara mmụta na akparamaagwa ụmụaka ndị ahụ nọ n'agbata afọ atọ ruo na asatọ. Ha lebara anya n'etu ụmụaka si were amụ akwụkwọ ha n'ụlọ, etu ezinaụlọ si were etinye anya ha n'ụlọakwụkwọ, etu ụlọakwụkwọ si were eme ka ezinaụlọ sonye n'agụmaakwụkwọ ụmụaka ha nakwa etu ezinaụlọ si akpachapụrụ ụmụ ha anya ma na-enye ha nkwado. Nchọpụta ha na-egosi na nsonye ezinaụlọ n'ihe gbasara agụmaakwụkwọ dị nnukwu mkpa n'ọmụmụ ụmụaka n'ụlọkwụkwọ. Ha chọpụtara na ọ bụrụ na a gbazieere nne na nna agụghị akwụkwọ na ha ga-etinye uchu n'agụmaakwụkwọ ụmụ ha nke ga-eme ka ụmụ ha nwee mmasị n'agụmaakwụkwọ ha.

2.5 Atụtụ Nnyocha Agụmagụ

2.5.1 Atụtụ Rịalizim

Atụtụ a bụ ntụziaka nye onye na-eme nchọcha, iji zipụta nchọcha ya ọfụma site n'ịgbaso atụtụ nke dabara nke ọma gbasara isiokwu nke a na-eme nchọcha na ya. Atụtụ a bụkwa usoro iwu maọbụ edemede banyere ihe a na-eme nchọpụta maka ya. Ọ bụkwa echiche nke ndị mmadụ chepụtara maka etu a ga-esi na-eme ihe. Echiche dị etu ahụ na-enye ntuziaka mgbe mmadụ na-eme nchọcha iji zipụta nchọcha ya nke ọma.

Atụtụ nwanchọcha gbadoro ụkwụ na ya wee tụchaa akwụkwọ agụmagụ ndị a họọrọ maka nchọcha a bụ atụtụ rịalizim.

Atụtụ a legidere anya n'ihe na-eme na gburugburu ebe obibi anyị, mgbalisiike ibi ndụ kwa ụbọchị, ihe a hụrụ na-eme karịsị n'etiti ndị kpatara nke ha riri na ndị enweghị ka ọ hà ha.E chere na atụtụ a dabara nke ọma iji mee nchọcha a. Nke a bụ n'ihi na ọ bụ igosi na izipụta ihe ndị dị n'agụmagụ a họọrọ maka nchọcha a, na-etu ha siri pụta ihe n'oge ugbua, n'obodo anyị.

3.0 Ntụcha Nchọcha

3.1 Nzipụta ọnọdụ nhụjuanya ụmụaka nyere agụmakwụkwọ n'agụmagụ ndị a họọrọ

3.1.1 Ugonna

N'iduuazi a bụ *Ugonna*, odee ji agwa Ugonna were zipụta ahụhụ na nhụjuanya ụmụaka Igbo na-enwe n'agụmaakwụkwọ. Odee zipụtara ka ọnọdụ ụbịam si emesi ụmụaka Igbo ike n'agụmaakwụkwọ. Isiagwa dị n'akwụkwọ a bụ Ugonna, onye a mụnyere n'ụbịam. Ọnwụ nna ya mere ka ihe siwanyere ezinaụlọ ya ike nke ukwuu nke na ya na ụmụnne ya kwụsịrị ịga akwụkwọ. Odee zipụtara nke a oge o kwuru sị;

> Mana ozigbo Mmadụfọrọ nwụchara, ihe isi ike were karịa n'ezinaụlọ ya. Ahụhụ dị egwu were gbaa nwunye ya bụ Ihudiya na ụmụ itoolu ha mụtara okirikiri. Naanị Ihudiya anaghị akpatanwuzi ihe bụ ụmụ ya na di ya mụtara ga-eri. Ụfọdụ n'ime ụmụ ha kwụsịrị ịga akwụkwọ n'ihi na ego eji azụ ha adighị. Ugonna sokwa na ndị kwụsịrị ịga akwụkwọ n'ihi ihe isiike. Ikwu na ibe ha enweghịzị onye na-ajụ ase ha. Ha bidoro hụwa onwe ha dị ka ndị mmiri tabidoro n'ime ụwa. (ia:2-3).

Ebe atụtụ nchọcha a na-ekwu maka etu ndị odee agụmagụ si were ezipụta ihe ndị na-eme eme n'ụwa n'ime akwụkwọ agụmagụ ha, ọnọdụ Ugonna bụkwa nke e nwere ike ịhụ n'ụfọdụ ezinụụlọ taa. Ọnwụ nna na-ebutekarị ndaghachi azụ n'ezinaụlọ. O nwere ike ime ka ụmụaka a mụrụ n'ezinaụlọ ahụ kwụsị ịga akwụkwọ dị ka a hụrụ na ndụ Ugonna.

Odee zipụtakwara nhụjuanya ọzọ ụmụaka Igbo na-ahụju n'ihe gbasara agụmaakwụkwọ ha. O mere nke a site n'izipụta etu Ọnwụekwe na Ijemma siri kpebie na ọ bụ Ugonna ga-arụta ego ụgwọ akwụkwọ ya. Mana akwụkwọ ọ ga-aga bụ akwụkwọ mgbede iji hụ na ahịa mbughaị ya erighi mperi.Ha emeghị ka Ugonna mata maka nke a, kama, ha tụọrọ ya asị na ha ahụbeghị ụlọakwụkwọ bụ ọkpọkọpị ebe ha ga-etinye ya maka ịgụ akwụkwọ. Ha gwara Ugonna sị;

> "Ugonna, ịchọtara gị ụlọakwụkwọ bụ nke anyị na-agbasị mbọ ike maka ya. Ihe a bụ obodo mepere emepe. ịchọtara onye ọbụla si ime obodo, ụlọakwụkwọ, n'ụdịrị obodo a, na-abụ ihe siri ezigbo ike. Ọtụtụ ụlọakwụkwọ praịmarị anaghị anabata nwatakịrị ọbụla si ime obodo bịa ka ọ gụọ akwụkwọ na nke ha. Mana nkwa anyị na-ekwesị gị ike bụ na ị ga-

> amaliteịrị ịgụ akwụkwọ oge n'eteghị aka. Obi sie gị ike. Anyị nọ ya. Anyị agaghị ahapụ gị!! Ugonna, ọ kwa ị maara na ọ ga-adị mma ka anyị chọtara gị ihe ị ga na-eme tutu ruo mgbe anyị chọtaara gị ụlọakwụkwọ. N'ihi na nkịtị adịghị mma ọnụnọ. ị ga-amalite soro ụmụaka ndị ọzọ bughariwa ahịa mbughari tutu ruo mgbe ị ga-amalite akwụkwọ. Nke a ga-eme gị ka ị hapụ ịdị na-echeta na ị malitebeghị akwụkwọ. Ọnọdụ dị etu a ga-emekwu ka anyị gbalịa karịa otu anyị nwere ike ijiri hụ na ị banyekwara n'ụlọakwụkwọ. Ugoo!, nwa bekee, I cheta anyị, obi sie gị ike !! Nna a, ị nụla ya!!!". (ia:21)

Ka ọnwa ole na ole gachara, Ugonna malitere akwụkwọ mgbede. Odee kọwapụtara ahụhụ dị iche iche Ugonna na-ata tupu ọ gawa akwụkwọ. O kwuru sị;

> Tupu Ugonna agawa akwụkwọ n'ehihie, ọ ga-emechaịrị ihe ndị o kwesịrị ime dị ka o si emebu. Mmadụ niile pụchaa, o burukwa ihe gaa ree, reta ego dowere nne ya ukwu tupu ọ gawa akwụkwọ n'ehihie. Ọtụtụ oge ka ọ naghị aga akwụkwọ n'oge n'ihi na ọ naghị emecha ihe ndị o nwere ọ ga-eme ngwa ngwa tupu ịgụ akwụkwọ amalite. Ọ nọdụkwanụ na klaasị, ọ na-arahụkwa sọ ụra n'ihi ike ọgwụgwụ. Ọ naghị aghọta ihe a na-akụzi na klaasị. Mgbe ụfọdụ, ka nne ya ukwu na-enye ya ihe ndị ọ ga-eresị ụmụakwụkwọ ibe ya, dị ka chịmchịm na kpọfụkpọfụ. Ugonna si n'ụlọakwụkwọ ha lọta na mgbede anyasị, ọ malitekwa tawa ahụhụ ndị nke jupụtara n'ụlọ na-eche ya. (ia:26).

Ọnọdụ a bụ nnukwu nhụjuanya nye Ugonna n'ihi na ọrụ ọ na-arụ n'ụlọ nne ya ukwu karịrị ya ahụ. Aṅụrị o nwere na nkwa e kwere ya banyere agụmaakwụkwọ na-aghọzịrị ya iru ụjụ. Ọ bụghị ihe ọ tụrụ anya ya ka ọ na-ahụ. Ọ bụrụ na ọ rụkọjuo ọrụ niile ọ na-arụ n'ụlọ ruo n'ụlọakwụkwọ, ọ bụrụ na ebidola ọmụmụ ihe. Ọtụtụ oge kwa ka ụra na-atụ ya na klaasị. Odee zipụtara nke a sị;

> Ọ bụ kwa mgbe ọbụla ka onyenkuzi Ugonna ha na-apịa ya ụtarị maka akwụkwọ ọ naghị abịa n'oge. Aha onyenkuzi ha bụ Maazị Chukwumaara. Maazị Chukwumaara na-akwụba Ugonna ọtọ na klaasị ma Ugonna malite ịrahụ ụra ma nkuzi na-aga n'ihu. (ia:27).

Ihe niile a Ugonna na-agabiga n'aka ndị nwe ya ga-eme ka ọ ghara ime nke ọma na klaasị. Nwata akwụkwọ ọbụla chọrọ ịmụta akwụkwọ kwesịrị ka ọ na-abịa akwụkwọ n'oge ma sonye nke ọma na nkuzi a na-akuzi na klaasị. Nke a wee bụrụ nnukwu ihe cheere Ugonna aka mgba. Ọ chọrọ ịgụ akwụkwọ iji bụrụ mmadụ na ndụ. Mana ndị nwe ya ekweghị na akwụkwọ ha zigara ya ga-abara ya uru ma ncha. Ajọ ọnọdụ a bidoro metụtawa ọgụgụisi ya. Ọ naghịzị eme ka ụmụaka ndị ọzọ si eme. Anyị matara na ọrịa metụtara ọgụgụisi bụ ajọ ọrịa nke nwere ike iduba mmadụ n'obi

nkoropụ na igbu onwe. Onye nọ n'ọnọdụ dị otu a anaghị eme nke ọma. Ugbua Ugonna hutara onwe ya n'ọnọdụ a, ọ gaghịzị enwe mmasị n'ịgụ akwụkwọ.

3.1.2 Ụkpaka *Mịịrị Onye Ụbịam* (Ubesie, T.U., 1975)

N'iduuazị *Ụkpaka Mịịrị Onye Ụbịam*, odee ji agwa Chinyere wee zipụta ọnọdụ nhụjuanya ụmụaka n'ebe agụmaakwụkwọ dị. Nke a pụtara ihe oge nne Chinyere nwụrụ. Ọnwụ nne ya wutere ya nke ukwuu n'ihi na ọ bụ naanị nne ya bụ onye na-akwado ya n'ije ya na Maazị Emọdị na-eje gbasara alụmalụ ya. Ọ bụ naanị nne ya na-akasi ya obi ma bụrụ onye kwụnyeere ya oge o kwupụtara na ọ chọghị ịlụ Maazị Emodị. Mana ka nne ya nwụrụ, obi dara ya mba n'ihi na o nweghịzị onye ọ ga-agbakwuru oge ọbụla ya na Maazị Emọdị nwere okwu. Odee zipụtara nke a oge o kwuru sị;

> Na mgbede ụbọchị ha lutere n'ụlọakwụkwọ ha, ụmụ akwụkwọ ibe ya na-enute ka igurube, ịbịa kasie ya obi maka ọnwụ nne ya. Ọ bụrụ na ha hapụrụ ịdị na-abịa, ọ gara ịka ya mma, n'ihi na ọ nọ ọnọdụ ka a ga-asị na ọ bụ ncheta ka ha na-abịa ichetara ya ihe ọ na-agba mbọ ka ya chezọọ. Obi adịghị ya mma. Akwụkwọ anaghị ekwe ya agụ. Ọ chee maka nne ya, ọ chee maka ihe na-adapụta n'ije ya na Maazị Emọdị, wee chee echiche maka Amadi.(ia :108).

Ọnọdụ a Chinyere hụtara onwe ya bụ nnukwu ọgbatauhie nyere agụmaakwụkwọ ya. Ọ naghịzị achịkọta uche ya n'ihe ọbụla ọ na-eme. Nke a n'ụzọ pụrụ iche ga-emetụta agụmaakwụkwọ ya. Nke kacha gbuo mmụọ ya bụ oge ọ natara akwụkwọ sitere n'aka Maazị Emọdị nke ọ gwara ya na ọ bụ na be ya ka ọ ga-abịa ezumike taam ahụ. Oge Chinyere jụrụ, nna ya detaara ya akwụkwọ iji kwado ihe Maazị Emọdị gwara ya. Nna ya gwara ya na ọ bụ na be Maazị Emọdị ka ọ ga-aga ezumike nke taam ahụ. Chinyere achọghị ịlụ Maazị Emọdị mana nna ya na-akwanye ya ịlụ nwoke ahụ. Nke a bụ n'ihi na Maazị Emodi ejirila ego na mmanya gobie nna Chinyere. Ọ bụ naanị nne ya bụ onye kwụnyeere ya. Ugbua nne ya anwụọla, Maazị Emọdị nweziri ike imewe ya ihe sọrọ ya, nna ya ga-adụnyekwara ya ukwu. Nke a metụtara agụmaakwụkwọ ya n'ụzọ jọrọ njọ nke ukwuu. Odee zipụtara ya sị;

> Ọ zaghị nna ya akwụkwọ ahụ. Akwụkwọ ekweghị ya agụ. Obi ezughị ya ike. ma ule ha na-akpụdewe nso n'ike n'ike. Mgbe ha lechaara ule, o jirila aka ya mara na o nweghị ihe ya detara. Oke echiche, oke nhịaahụ, na ahụ mgbaka ekweghị ya gụọ akwụkwọ. Naanị ihe ọ maara bụ na ya agaghị ada ada n'ule ahụ. Onye na-atụ ya aka ka o nwetakwa ọnọdụ ọ na-enwetabu bụ oge ka onye ahụ na-ala n'iyi. (ia:112).

3.2 Nzipụta agbambọ ụmụaka nyere agụmakwụkwọ

N'iduuazị a bụ ***Ugonna***, odee zipụtakwara agbambọ ụmụaka banyere agụmaakwụkwọ n'ebe ọ dị ukwuu. Odee ji agwa Ugonna were zipụta nke a. Oge Ugonna lọtara obodo ya bụ Udumoka ka odibo ọ gara ịgba n'Owere enweghịzị isi, ọ malitere ịgba mbọ iji hụ na ọ zụrụ onwe ya

n'akwụkwọ. Ọ na-aghọ mkpụrụ osisi dị iche iche dị n'ala nna ya gaa ree n'ahịa iji nweta ego nri na ego ụgwọakwụkwọ ya. Odee zipụtara nke a sị;

> Kemgbe Ugonna malitekwara ịgụ akwụkwọ na be ha bụ Udumoka, ọ bụ ya na-akwụrụ onwe ya ụgwọ akwụkwọ. Kedụ ebe o si enweta ego? Ugonna bụ nwatakịrị ike ọrụ dị. Nna ya bụ Mmadụfọrọ nwere ala nnukwu. Mmadụfọrọ nwekwuazịrị erimala dị iche iche. Ma nkwụ, ma ụkwa, ma oroma, ma ube, ma akịbekee, ma ọkwụrụbekee, ma ube ha niile jupụtara n'ala Mmadụfọrọ. Ugonna kelere Chukwu na o nyere ha ụdịrị ihe ndị ahụ iji were na-eleta onwe ha… Mgbe ọbụla, Ugonna na-ebu ihe aga n'ahịa Udumoka ere. Ụbọchị ọ reghị akwụ, ọ ree ụkwa, maọbụ mango, maọbụ ihe ọbụla nke o si n'ala weta. Erimala niile ahụ ha nwere nwechara mgbe ha ji amị, na kwa mgbe ha ji adị mma oriri. Nke oge ya ruru, Ugonna amalite ịtụ mgbere ya. Bido n'afọ ruo n'afọ, Ugonna anaghị ezu ike. Ya na mgbere ahịa na-eme. Ego sikwa etu ahụ abata ya aka. Ego o retara, o were ya nye nne ya n'ihi na ọ bụ nne ha ka igbo mkpa ezinaụlọ ha dịịrị ugbu a... Ego Ugonna na-enweta na-ezu iji kwụrụ ya na ụmụnne ya ndị nke nọ n'ụlọ ụgwọ akwụkwọ, nakwa iji zụtara ha akwụkwọ ha ji agụ akwụkwọ, ma zuokwara ha iji were na-eriju afọ. Ego ọbụla mapụtara, Ihudiya na-edowe ya nke ọma iji were gboo mkpa ndị a na-apụta n'ezinaụlọ. (ia:60-61).

Ọgụnna n'aka nke ya, na-agbakwuazị mbọ nke ukwuu iji hụ na ọ zụrụ onwe ya n'ụlọakwụkwọ. Ọ na-agbakwa mgbere ahịa iji mezuo nke a. Odee zipụtara nke a sị;

> N'ebe ahụ ha nọzị ka Ugonna gwara Ọgụnna na o bidola akwụkwọ n'Udumọka. Ọ sịkwa Ọgụnna na ọ hapụbeghị mgbere ahịa ahụ ha zụrụ n'Owere aka, n'ihi na ọ bụ ya na-edu ya na ndị be ha ugbu a. Ogụnna were sị Ugonna, 'O kwesịrị ka anyị na-enye Chukwu ekele ka o siri kpọpụta anyị n'ọnụ agụ. Mụ onwe m bukwuazị mgbere ahịa ka m na-arụzị ugbua, ọ bụkwa ya ka m ji azụ onwe m n'ụlọakwụkwọ. (ia:63)

N'ọnọdụ ịgba mbọ ụmụaka banyere agụmaakwụkwọ, n'akwụkwọ ***Chukwu Nọ Nso***, odee ji agwa Izunna wee gosipụta nke a. Oge Izunna na-aga akwụkwọ n'Ọnicha, o so na ndị na-agbara ụlọakwụkwọ ha egwuregwu bọọl. Mana nke a emeghị ka ọ laghachi azụ n'agụmaakwụkwọ ya. Kama, ọ gbasịrị mbọ ike na-agụ akwụkwọ ya nke ọma ma na-agafekwazị n'ule oge ọbụla. Ọ bụladị oge Izunna zutere ihe mmerụ ahụ oge ọ na-agba bọọl, o meghi ya ka ọ laghachi azụ n'agụmaakwụkwọ ya. Ọ nọ na-agụsị akwụkwọ ya ike oge ọ nọ n'ụlọ iji hụ na o nweghi ebe o riri mperi. Odee zipụtara nke a oge o kwuru sị;

> Mgbe Izunna si n'ụlọọgwụ lọta, ụmụakwụkwọ na ndị nkuzi ụfọdụ bịara be ha leta ya. Ụfọdụ ndị enyi ya na-enyere ya aka site n'iwetara ya ihe ha mere n'ụlọakwụkwọ ka ọ na-agụ n'ụlọ. N'agbanyeghị na Izunna esoghi ụmụakwụkwọ ndị ọzọ agụ akwụkwọ kemgbe ihe karịrị izuụka abụọ, o meghi ka o nwee nlaghachi azụ n'ọnọdụ agụmakwụkwọ ya. O teghi aka

> Izunna jiri bidochaa akwụkwọ, oge ule nke taam ahụ eruo. Mana ka okwe ule taam ahụ gbara, Izunna gbara onye nke mbụ dịka o si agba na mbụ. Mgbe onyeisi ụlọakwụkwọ hụrụ nke a, obi tọrọ ya ụtọ nke ukwuu n'ihi na ọ maghị na nwatakịrị a ga-enwe ike ide ule ma ya fọduzịa ime nke ọma karịa ụmụakwụkwọ ndị ọzọ ya na ha nọ n'otu klaasị. (ia:22-23)

Nke a gosiri na ahụ ọnwụnwụ anapụghị Izunna ịgụ akwụkwọ ya. N'iji atụtụ ntụcha nchọcha a wee tụchaa akparamagwa Izunna, anyị ga-amata na ọ bụ akparamagwa a na-ahụ n'etiti ụfọdụ ụmụaka n'oge ugbu a. Ụfọdụ ụmụaka bụ ndị na-agbasị mbọ ike ịhụ na ha gara akwụkwọ ma ahụ adị ha maọbụ na ọ dịghị ha. Oge ụfọdụ, ọ bụ ndị nne na nna na-egbochi ụmụ ha ndị ahụ adịghị ịga akwụkwọ iji hụ na ha letara ha anya. Ụfọdụ ụmụaka bụkwanụ ndị na-agba mbọ nke ukwuu hụ na ha gụrụ akwụkwọ ha nke ọma iji hụ na-agbarịrị ndị nke mbụ na klaasị ha dị ka ha si agbabu, ma ahụ adị ha maọbụ na ọ dịghị ha. Izunna so n'otu n'ime ụmụaka ndị a. Odee chịkọtara nke a oge o kwuru sị; "O nweghị ule ọbụla e lere na klaasị Izunna agaghị agba onye nke mbụ. Ma ule ngwụcha izuụka ma nke ngwụcha taam, Izunna na-aracha ha niile ka ofe" (ia:25)
N'aka nke ọzọ, odee zipụtakwara agbambọ ụfọdụ ụmụaka Igbo banyere agụmaakwụkwọ ha. Ọ kọwapụtara etu ụfọdụ ụmụakwụkwọ si agakwuru ụmụakwụkwọ ndị ka ha wee mara ka ha kụziere ha ihe. Ụmụaka ndị a na-esi n'ụzọ dị otu a mụta ihe a kụziiri ha n'ụlọakwụkwọ. Odee zipụtara nke a oge o kwuru sị; "Ọtụtụ ụmụakwụkwọ ndị maara ihe na-abịakwute Izunna ka ọ na-akụziri ha akwụkwọ" (ia:27)

Odee zipụtakwara agbambọ ụmụaka Igbo banyere agụmaakwụkwọ oge Izunna na-akwado maka asọmpi ọ ga-aga n'obodo Amerịka. Izunna gbara mbọ hụ na ọ gụsịrị akwụkwọ ya ike iji mee nke ọma na ya bụ asọmpi. Odee kọwapụtara nke a oge o kwuru sị; Tupu Izunna agaa asọmpi ahụ, ọ kwadoro onwe ya nke ọma site n'ịgụ akwụkwọ ya ihu na azụ maka ebumnobi ya banyere ihe ọ họọrọ ịbụ na ndụ ya n'agbanyeghị ọnọdụ ezinaụlọ ya. (ia:3)

Mbọ niile a ọ gbara mere ka o turu ugo n'asọmpị ahụ ọ gara na mba Amerịka. Nke a riteere ya ọtụtụ elele dị iche iche ọkachasị ohere ịgụ akwụkwọ n'efu na mahadum dị n'ala Amerịka. Nke a mere ka Izunna bụrụ onye mbụ ga-aga mahadum n'obodo ya.

N'agbanyeghị na Izunna enwetala ohere ịgụ akwụkwọ n'efu n'ala Amerịka, o meghi ka ọ daa mba n'agụmaakwụkwọ ya. Ọ gara n'ihu na-agụsị akwụkwọ ya ike ọbụladị oge ọ nọ na mahadum. Ọtụtụ ụmụakwụkwọ na mahadum bụ ndị na-eji ego egote maakị ebe ụfọdụ na-eji ahụ ha agba mgbere maakị. Mana Izunna na enyi ya nwoke na-eji ọgụgụisi ha azụta maakị nke ha site n'ịgụsị akwụkwọ ha ike. Odee kọwapụtara nke a oge o kwuru sị;

> Izunna bụ onye chọrọ ịbara onwe ya uru, ya mere o ji na-agba mbọ n'ịgụ akwụkwọ ya. Mgbede ọbụla Izunna chịrị akwụkwọ ya lọta, ya na enyi ya nwoke Godwin eburu akwụkwọ ha na-agụ. Ha na-emekarị nke a mgbe

> ọbụla oge ha ga-eji lee ule ha ruru ka ha wee kwado onwe ha nke ọma maka ule. Ha anaghị eme ka ụmụakwụkwọ ndị ọzọ ndị na-eji ego egote maakị n'aka onye nkuzi maọbụ ndị na-eji ahụ ha enweta ezigbo rịzọtụ. Ụmụakwụkwọ ụfọdụ ọkachasị ụmụnwaanyị na-ahapụ akwụkwọ ha bịara ịgụ na achọrọ ndị nkuzi aga n'ụlọ nkwari akụ dị iche iche. Izunna na-enyi ya nwoke adịghị otu a, ha na-agba mbọ n'akwụkwọ ha. Tupu ha elee ule ọbụla, ha na-agụsị akwụkwọ ha ike. Ha kwenyere na onye rụọ, o rie. Maka na aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ. (ia:72-74)

Agbambọ Izunna anyụghị ya ahịa. Nke a bụ n'ihi na o mere ka o mee nke ọma n'ule karịa ụmụakwụkwọ ndị ọzọ. Odee kwuru sị;

> Izunna na Godwin bụ ụmụakwụkwọ mere nke ọma karịa ụmụakwụkwọ ndị ọzọ ha na ha lekọtara ule ahụ. Ọkachasị ndị nọ na ngalaba ihe ọmụmụ ha. Mgbe a tụlere rịzọtụ ha nke ọma, a chọpụtara na ọ bụ ha naanị bụ ndị ruru ọnụ ọgụgụ ahụ kemgbe mahadum ahụ jiri malite. Ndị nkuzi ha niile gbara ama na ha ahụtụbeghị ụdị rịzọtụ dị ka nke mmadụ abụọ ahụ kemgbe ha ji bụrụ ndị nkuzi n'ụlọakwụkwọ mahadum ahụ. (a:74-75).

4.1 Nchịkọta Nchọpụta

Ndị odee agụmagụ ugbu a na-esite n'agụmagụ ha agbara ọhanaeze n'anwụ ọtụtụ ihe dị icheiche na-eme n'obodo. Nhụjuanya ụfọdụ ụmụaka Igbo na-enwe n' agụmaakwụkwọ so n'otu ihe ndị odee na-ezipụta n'agụmagụ ha. Ha na-ezipụta ọnọdụ dị icheiche na-ebute nhụjuanya ndịa nakwa nsogbu ọ na-eweta. Akwụkwọ agụmagụ a họọrọ maka nchọcha a zipụtara echiche ndị odee dị icheiche banyere nhụjuanya ụfọdụ ụmụaka Igbo na-enwe n'agụmaakwụkwọ na ọnọdụ ịgba mbọ ụmụaka nye agụmaakwụkwọ ha. Onye gụrụ akwụkwọ a ga-amata mkpa ọ dị inyere ụmụaka ndị nọ n'ọnọdụ a aka iji hụ na ha baara ezinaụlọ ha na ọhaobodo uru.

N'ime nchọcha a, a chọpụtara ọnwụ, agụụ na ụbịam bụ nnukwute nsogbu na-echere ezinụụlọ akamgba. Nsogbu a na-esepụ ọtụtụ ụmụaka Igbo ọnụ n'ara n'ebe agụmaakwụkwọ dị. ọtụtụ ezinaụlọ ahụghị nri ọnụ rijuo afọ ma ya fọduzie ịkwụ ụgwọ akwụkwọ. A hụtara nke a n'akwụkwọ *Ugonna na Ụkpaka Mịịrị Onye Ụbịam.* A chọpụtakwara na ọtụtụ ụmụaka Igbo n'agbanyeghị ihe isiike dị icheiche ha na-agabiga, na-agba mbọ ịgụsị akwụkwọ ha ike iji mee nke ọma na klaas. A hụrụ nke a n'akwụkwọ *Ugonna* na *Chukwu Nọ Nso.* a hụrụ agbambọ pụrụ iche dị n'ime Ugonna na Izunna banyere agụmakwụkwọ ha.
Nchọpụta gosiri na;

i. Ndị odee agụmagụ a họọrọ gbara mbọ site n'agụmagụ ha kuziere ọhanaeze na ịgba mbọ bụ ezi ihe nke na-enyere onye ọbụla aka na ndụ ha.
ii. Nhịahụ maọbụ nhụjuanya anaghị egbu mmadụ ma na ọ na-eme ka nwata ọbụla nwee uche ma zọta onwe ya.

iii. Ndị nkuzi nwere ọrụ pụrụ iche na ndụ nwataakwụkwọ ọbụla ha na-akuziri nke bụ ina achọpụta ụfọdụ nsogbu ha nwere n'ebe agụmaakwụkwọ ha dị.

5.0 Mmechi

Site n'ihe niile nchọcha a zipụtara, ọ ga-abụ ihe dị mma nke ukwuu ma onye ọbụla tụtụrụ akwụkwọ agụmagụ a e jiri mee nchọcha a gụọ iji hụ mkpa ọ dị ịzụlite ụmụaka nke ọma n'agụmaakwụkwọ. Ka onye ọbụla mata na ụmụaka niile nwere ikikere ịgụ akwụkwọ ma hụ na ha anapụghị ha ikike a. A na-eme ka onye ọbụla mata na ụmụaka ndị a bụ ha bụ ndị ndu odinihu ala anyị na ọzụzụ ọbụla e nyere ha taa ga-egosi ihe obodo anyị ga-abụ n'ọdịnihu. Ụmụaka nke oge ugbua ga-amata na ka ọnọdụ esila dịịrị ha, na ha kwesịrị ịna agba mbọ n'ụzọ ọbụla dị mma, tachite obi ha iji hụ na ha gụruru akwụkwọ ha n'isi. Ọ ga-abụ ihe agbamume, ndụmọdụ, nkuzi, nnọmi d.g.z. nye ụmụaka, ndị nne na nna, ndị enyi, ndị nkuzi na ndị gọọment. Ọ ga-abụkwa ihe nlereanya nye ndị ọzọ ga-achọ ime nchọcha n'ihe yitere isiokwu a n'ọdịniihu.

Edensibịa

Adesemowo, P.O & Satonade, O.A.T. (2022). "The Meaning and Scope of Education" in *Basic of Education.* Retrieved from https://www.researchgate.net/publication/361813544

Bamisaiye, R. (1989). *A Practical Approach to Philosophy of Education.* Ibadan: AMD Publishers

Bray, M. (1999). The private cost of public schools: Household and Community.

Duru, T. (2014), *Standard Literature-in-English.* Owerri: Standard Publishers.

Fryers, T & Brugha, C. (2013). Childhood Determinants on the Development of Adult Psychiatric Disorder. Clinical Practice and Epidemology in Metal Health.

Ganamananickam, E. (2020). Hospitalizations Among Children involved in the Chid Protection System: A Long-Term Bith Cohort Study fron Infancy to Adulthood Using Administation.

Huiping Z,, Ziyi, W., Ụinfeng T. & Weiwei. W. (2025). The Association Between Child Maltreatment and Academic Achievement: A Systematic Review and Meta-Analysis. IChild Abuse and Neglect. *Vol 159 retrieved from sciencedirect.com*

Nwokoye, N. (2019). *Abụ Ikpe: Ngwaọrụ Na-Agbazi Usoro Obibi Ndụ.* Onitsha: Noben Press

Ofomata, C. E. (2001). *Ugonna.* Enugu: Format Publishers.

Okechukwu, C. (nd). *Chukwu Nọ Nso.* Nnewi: Mis-Fav Publishers.

Okoh, N. (2008). *Preface to Oral Literature.* Onitsha: Africana First Publishers

Taylor, R. M. & Mary Breaụ (2019). Theoretical frameworks for Understanding Child Maltreatment. Retrieved www.crimevictimsinstitute.org

Ubesie, T. U. (1975). *Ụkpaka Mịịrị Onye Ụbịam.* Enugu: Nwamife Publishers

Van Voorhis, F. L., Maier, M. F., Epstein, J. L.& Lloyd, C.M. (2013). *The Impact of Family Involvement on the Education of Children Aged 3 to 8.* Retrieved from https://files.eric.ed.gov

WHO (2024). Child Maltreatment. Retrieved from https://www.who.int.news/fact-sheets/details/child-maltreatment